HEPATITIS DELTA CONNECT
hepdconnect.org

# Hepatitis D

Information for hepatitis B providers

## Gịnị ka ọrịa ịba ọcha n’anya bụ?

Ọrịa ịba ọcha n’anya D bụ ọrịa nke na-adị na imeju nke nje ịba ọcha n’anya D akpọbirila dịka (HDV) nke kacha akpata oke ọrịa ịba ọcha n’anya ana-arịakari. Naanị ndị nwere maọbụ ndị nọ n’ihe ize ndụ ọrịa ịba ọcha n’anya B bụ ndị nwere ike ibute ọrịa ịba ọcha n’anya D, ma ebe ihe dịka otu n’ime mmadụ iri abụọ na-arịa ọrịa ịba ọcha n’anya nke B ka a na-eme atụmatụ na ha bụ nje ọrịa ịba ọcha n’anya.

## Ekwesịrị m Ile Ndị ọrịa HBV ahụ maka ọrịa HDV?

Ọrịa ịba ọcha n’anya D nwere ike ikpata mgbagọ n’ọnọdụ n’ike n’ike gaa na mmebi imeju na ọrịa kansa imeju karịa naanị ọrịa ịba ọcha n’anya B. Enwere ụzọ dị iche iche esi agwọ ndị na-arịa ọrịa HBV/HDV iji chịkwaa ọrịa abụọ ahụ n’otu mgbe.

## Olee Onye Ekwesiri Ịle Ahụ?

- Ndị ọrịa si n’obodo ndị dị na Afrịka, Ọwụwa anyanwụ Europe, n’ebe Etiti ọwụwa anyanwụ,
- Mongolia, India, Pakistan, Ebe etiti Esia, maọbụ Ọdọ osimiri ndị Amazon
- Ndị ọrịa na-anara ọgwụgwọ maka ọrịa HBV mana ahụ ha anabataghị ya maọbụ ndi lere ahụ ma chọpụta na imeju ha adịghị mma
- Ndị na-arịa ọrịa mmebi imeju



## Olee otú M ga-esi lee Ndị m na-agwọ Ahụ?

Buru ụzọ bido nlele ahụ maka ihe ndị na-aluso ọrịa ọgụ HDV, nke bu ụzọ esi amalite inyocha onye ọrịa HBV na nke HDV otu mgbe. Ọ bụrụ na nlele ahụ nke ihe ndị na-alụso ọrịa ọgụ putara na ịnwere ya, nke a ga-esochi nlele ahụ HDV RNA ozugbo iji mee nkwadoeziokwu ma enwere nje dịnụ. Lee ebe ndị ana-ele ahụ:

Ụlọ Ọrụ Na-ahụ Maka Ịchịkwa na Igbochi Ọrịa (CDC), Ụlọ nyocha ARUP , Nchọpụta nyocha. Labcorp

# Olee Otú M ga-esi agwọ onye na arịa ọrịa HBV/HDV?

Enwere ike inye ndị ọrịa ọgwụ pegylated interferon alpha (ruo ugbu a, ọ ka bụ naanị ọgwụ eji akutu nje ịba ọcha n'anya D). N'onwa Julaị afọ 2020, Ụlọ ọrụ na-arụpụta Ọgwụ nke ndị Europe ozi kwetara ka ejiri Hepcludex gwọwazie ọrịa HDV – enwere olileanya na nke a ga eru akụkụ ụwa ndị ọzọ aka n'afọ 2023. A ka nwere ọgwụ ndị ọzọ dị iche iche nke ana-eme nyocha ya ka ọ dị ugbu a. Ị nwere ike ịchọta ndị na-edebanye aha ugbu a maka ule ahụike ebe a.

Ụlọ ọrụ na-ahụ maka ịchọpụta Ọgwụgwọ Orịa ịbà ọ̀cha n'anya B bụ ụlọ ọrụ mba nke na-abụghị maka uru na-eme nchọputa na ime ka oha mara maka ọrịa ịba ọcha n'anya B. Ọ mepụtara Hepatitis Delta Connect dịka atụmatụ emebere n'afọ 2016 iji nye ozi na nkwado maka ndị ọrịa ịba ọcha n'anya D metụtara.

**www.hepdconnect.org**